# USORO EMUME NKE MISSA



# USORO EMUME NKE MISSA

## EKWUPUTA M GWA CHINEKE JI IKE NIILE

Ekwuputa m gwa Chineke ji ike niile,

na unu, umunne m;

na emehiela m nke ukwuu,

site na echiche, na okwu, na omume,

na site n'ihapu ezi omume okwesiri na m ga-eme:

ha na-esu aka n'obi na asi:

site na mmehie m, site na mmehie m,

site na mmehie m nke kacha ukwuu.

Ha ekperekwa gawa:

Ya ka m ji ario Maria di Ngozi Vejin Okpu,

na ndi Mmuooma na Ndinso niile,

na unu, umunne m, ka unu riowara m Oseburuwa

Chukwu anyi aririo.

## OTITO DIRI CHINEKE N'ELU KACHA ELU

Otito diri Chineke n'elu kacha elu,

N'uwa udo diiri ndi mmadu ndi nwere obi oma.

Anyi ajaa Gi mma.

Anyi agozie Gi

Anyi esekpuoro Gi.

Anyi etoo Gi,

Anyi ekele Gi n'ihi nnukwu ebube Gi.

Oseburuwa Chukwu, Eze nke eluigwe

Chukwu Nna ji ike nile,

Dinwenu, Jesu Kristi,

So otu Nwa Chineke muru.

Dinwenu Chukwu, Nwaaturu nke Chineke,

Nwa nke Nna.

Gi Onye na-ekpochapu njo nke uwa, meere anyi ebere.

Gi Onye na-ekpochapu njo nke uwa, nara aririo anyi.

Gi Onye no n’aka nri Nna, meere anyi ebere.

N’ihi na so Gi di Nso.

So Gi bu Dinwenu.

So Gi, Jesu Kristi, kachasi di elu,

Gi na Mmuo Nso, n’ebube Chukwu Nna. Amen.

**EKWERE M N’OTU CHINEKE**

Ekwere m n’otu Chineke,

Nna ji ike niile,

Onye mere eluigwe n’ala,

Na ihe niile a puru ihu anya,

Na ndi apughi ihu anya.

Ya na otu Onyenweanyi, Jesu Kristi,

So otu Nwa Chineke muru:

Nna amuru tupu uwatuuwa niile.

Chukwu si na Chukwu, ihe si n’ihe.

Ezi Chukwu si n’Ezi Chukwu,

A muru Ya amu, e meghi eme,

Ya na Nna bu otu ihe n’odidi ebighebi ha jiri buru Chukwu,

Onye e si na Ya mee ihe dum.

Onye maka ihi anyi bu mmadu,

Na maka ihi nzoputa anyi, siri n’eluigwe gbadata.

E ruo n’okwu ndi a na-esote, mmadu nile ga-ehulata ruo na **O BURU MMADU**

O WERE AHU NA VEJIN MARIA

SITE NA MMUO NSO: O BURU MMADU.

A kpogbuo Ya n’obe n’ihi anyi

N’oge ochichi Potus Pailet,

O taa ahuhu, nwuo, e lie Ya.

Ma O bilitere n’ubochi nke ato,

Ka Akwukwo Nso si kwu.

O rogoro n’eluigwe, noro n’akanri Nna.

Ma O ga-abighachi ozo n’ebube Ya

Ikpe ndi di ndu na ndi nwuru anwu ikpe,

Onye ochichi Ya enweghi njedebe.

Ekwere m na Mmuo Nso, Dinwenu na Onye na-enye ndu:

Onye si na Nna na Nwa puta.

Onye a na-esekpuru, na-etokodo Ya na Nna na Nwa:

Onye si na ndi amuma kwuo okwu.

Ekwere m na Nzuko nke di otu, di nso, buru Katolik na Apostolik.

Ekwuputa m otu mmirichukwu maka mgbaghara njo ga.

Ana m atu anya mbilite n’onwu ndi nwuru anwu,

Na ndu uwa ga-abianu.

Amen.

**<u>EMUME NKE EUKARISTIA</u>**

**Ukochukwu:**

I di ngozi, Oseburuwa, Chineke nke uwa niile,

N'ihina o bu n'uju afooma Gi ka anyi siri nata achicha

nke anyi na-ehunyere Gi, mkpuru si n'ala na akaoru mmadu:

O ga-aghooro anyi achicha nke ndu.

na njedebe, ndi mmadu nwere ike welite olu zaa:

Chineke, I di ngozi ebighebi

**Ukochukwu:**

I di ngozi, Oseburuwa, Chineke nke uwa niile,

N'ihina o bu n'uju afooma Gi ka anyi siri nata mmanya

nke anyi na-ehunyere Gi. Mkpuru Osisi vaini na akaoru mmadu:

O ga-aghooro anyi ihe onunu nke mmuo.

Ukochukwu kpechaa nke a, ma o buru na anaghi ekwe ukwe onyinye, ndi mmadu ewelite olu zaa:

Chineke, I di ngozi ebighebi.

**Ukochukwu:**

Riowa nu, ummunne m, ka aja m na nke unu buru ihe ga-aso Chukwu Nna ji ike niile i nara.

Ndi mmadu akwuru oto zaghachi:

Ka Dinwenu nara aja nke a n'aka gi, maka ojijamma na ebube nke aha Ya, maka odimma nke anyi, na nke zuzugbe Nzuko Ya di nso.

**NSO NSO NSO (SANCTUS)**

Nso, Nso, Nso, Oseburuwa Chineke nke igwe ndi agha.

Eluigwe n'ala juputara n'ebube Gi.

Hozana n'elu kacha elu.

O di ngozi bu Onye biara n'aha Onyenweanyi.

Hozana n'elu kacha elu.

**Ukochukwu:** IHEOMIMI NKE OKWUKWE:

Ndi mmadu azaa kwuputa:

1. Anyi na-ekwusa onwu Gi, na-ekwuputakwa mbilitenonwu Gi, O Dinwenu, wee ruo mgbe I ga-abia.
   Maobu:
2. Oge obula anyi na-eri achicha nke a, na-anu ikonso nke a, anyi na-ekwusa onwu Gi, O Dinwenu, wee ruo mgbe I ga-abia.
   Maobu:
3. Onyenzoputa nke uwa, biko zoputa anyi:
   Gi bu Onye sitere n'obe na mbilitenonwu Gi tohapu anyi.

**ORIRI NSO**

Ekpechaa Nna anyi no n'eluigwe:

**Ukochukwu:**

Zoputa anyi, anyi na-ario,

O Oseburuwa, n'ajo ihe niile;

Were ebere nye udo n'oge nke anyi,

Site n'inye aka ebere Gi,

Ka a zoputa anyi na njo oge nile,

Anyi ewere gbalahu nsogbu niile, were nchekwube di nso na-atu anya

Maka mbiaghachi nke Onyenzoputa anyi, Jesu Kristi.

Ndi mmadu azaa:

N'ihi n'ochichi, ike na otito

bu nke Gi, ebighiebi, ebighiebi.

==========================================================================

**Ukochukwu:**

Lee Nwaaturu nke Chukwu

Lee Onye na-ekpochapu njo nke uwa

Ha di ngozi bun di a kporo

n'oriri nke Nwaaturu Chineke.

ndi mmadu azaa:

Dinwenu, etosighi m ka I bata n'ulo m,

ma kwuo so okwu

a ga-agwo mkpuruobi m.